lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Samuel, Ohu nke Ọkpara Chineke



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Janie Forest
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Lyn Doerksen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Hana bu ezigbo nwaanyị, lụrụ Elkena, bụ ezigbo nwoke.  Ha abụọ na-efe Chineke ma na-egosikwa ndị ọzọ obiọma.  Ma ọ dị ihe na-efunahụ Hana ná ndụ ya.



Ọ chọrọ ịmụta nwa.
Lee ka o si chọọ nwa!
O cheere ma kpekwa ekpere, nwekwa olile-anya wee cherekwuo ọzọ.
Ọ dịghị nwa bịara!





Kwa afọ, Hana na-aga ife ofufe n’ụlọikwuu Chineke. Otu afọ, o kwere Chineke nkwa na ọ bụrụ na ọ hapụ ya ka ọ mụọ nwa nwoke, na ya ga-enye ya nwa nwoke ahụ ka ọ bụrụ ohu Chineke ruo mgbe ebighị ebi.



Agadi Ilaị, onye nchụ-aja, hụrụ Hana ka ọ na-ekpe ekpere. O chere na Hana aṅụwo mmanya n'ihi na egbugbere ọnụ ya na-emegharị ma ọ dịghị ụda ọbụla pụtara. Ilaị wee baara Hana mba!



Ma Hana gwara Ilaị gbasara ekpere o kpere maka nwa na nkwa o kwere Chineke.  Ilai wee sị, “La n'udo.”  “Chineke nke Izrel nye kwa gị aririọ-gị nke ị riọworo n'aka Ya.”  Okwu Ilaị mere ka Hana nwee olile-anya.

N'oge na-adịghị anya, oke ọñụ juru Hana n'obi. "Jehova chetara ya" ma zakwa ekpere ya. Ya na Elkena nwetara otu nwatakịrị nwoke aha ya bụ Samuel (nke pụtara "Chineke anụwo"). Ma, Hana, ọ̀ ga-echeta Jehova na nkwa o kwere Ya?





Hana kwụsịrị ịga
n’ụlọ-ikwuu kwa
afọ. Oo, ozigbo!
Ò mebiela nkwa o
kwere Chineke?
Ee e, Hana nọ
na-echere ruo
mgbe Samuel
tolitere ibi n’ụlọ-
ikwuu ma nyere Ilaị
aka n’ozi Chineke.
O wee kpọta ya
n’ụlọ-ikwuu ahụ.



Chineke kwanyere oke ikwesị ntụkwasị obi nke Hana ugwu. Mgbe Samuel gachara, Chineke nyekwara ya ụmụ nwoke atọ na ụmụ nwaanyị abụọ ọzọ. N'afọ ọbụla, Hana na-aga n'ụlọ-ikwuu ije fee Chineke ofufe – na iwegara Samuel uwe ọhụrụ ọ dụụrụ.

Samuel abụghị naanị onye inye-aka Ilaị. Ụmụ Ilaị, bụ́ Họfnaị na Finehas, rụkwara ọrụ n’ebe ahụ. Ma ha mejọrọ Chineke site n'ime ihe ọjọọ, ha agbanweghị ọbụna mgbe Ilaị nna ha rịọrọ ha. Ilaị gaara achụpụ ha n’ọrụ n’ụlọ-ikwuu ahụ. Ma o meghị nke a.





Otu abalị, Samuel nụrụ olu kpọrọ ya. Nwatakịrị ahụ chere na ọ bụ Ilaị na-akpọ ya. "Lee m," ka o kwuru. Ilai zara sị, "Akpọghị m gị." Nke a mere ugboro atọ. Mgbe ahụ, Ilaị matara na Chineke chọrọ ịgwa Samuel okwu.



Ilaị wee sị Samuel: “Ọ bụrụ na ọ kpọọ gị, ị ga-asị, ‘Kwuo Jehova, n’ihi na ohu gị na-anụ.’” Chineke wee kpọọ òkù ahụ ọzọ, nye Samuel ozi dị mkpa.

N'ụtụtụ, Ilaị kpọrọ Samuel. “Gịnị bụ ihe Jehova gwara gị?” ka ọ jụrụ ya. Nwa okorobịa bụ́ Samuel gwara ya ihe niile. Ọ bụ ozi jọgburu onwe ya - Chineke gaje ibibi ezinụlọ Ilaị dum n’ihi na Họfnaị na Finehas bụ ndị ajọ omume.



Ịdọ aka ná ntị Chineke mezuru.  N’oge a na-alụso ndị Filistia agha, ajọ ụmụ Ilaị abụọ duuru igbe Chineke n’ihu ndị-agha Izrel.  Ndị iro ahụ weghaara Igbe ahụ ma gbuo Họfnaị na Finehas na ọtụtụ ndị Izrel.  O rue, mbe̦ Ilaị nụrụ nka, o wee si n'oche ya dapụ, be̦jie olu-ya, nwụọ n'ụbọchị ahụ.



Igbe Chineke ahụ wetaara ndị Filistia nsogbu. Ha debere ya n’ụlọ nsọ Degọn, bụ́ chi ugha ha. N'ụtụtụ, arụsị Degọn dara n'iru-ya. Ndị Filistia wee welie Degọn, ma ọ daruru ala ọzọ n'ụtụtụ. Na nke ugbua, e tijiri Degọn.





Ọrịa na ọnwụ gbasara n’etiti ndị Filistia.  Iji mara ma Chineke ọ̀ na-ata ha ahụhụ, ndị Filistia mere ha ehi abụọ dọta ụgbọ ya na Igbe ahụ so.  Ma ha debere ụmụ ehi ndị ahụ.  “Ọ bụrụ na ehi ahụ arịgoro n’Izrel, hapụ ụmụ ehi ha, anyị ga-amarakwa na Chineke emewo ya,” ka ha kwuru.  Ehi ndị ahụ wee gbagoo!



Samuel, bụ́ onye toworo eto ugbua, gwara ndị Izrel niile okwu. “Ọ bụrụ na unu ejiri obi unu dum laghachikwute Jehova ... Ọ ga-anapụta unu n'aka ndị Filistia.” Ndị ahụ rubeere onye-amụma Chineke kwesịrị ntụkwasị obi isi. Aka Jehova wee dị megide ndị Filistia ubọchị niile nke Samuel.

Samuel, Ohu nke Ọkpara Chineke

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Samuel Nke Mbụ - Isi nke mbụ rue nke asaa

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie.  Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi.  Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia!  O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi!  O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo.  Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi.  Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi.  Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile!  Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.